lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri
a na-egosi

# Mbido ntarama ahuhu nke mmadu bidoro



Ode akwukwo: Edward Hughes
Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa
Onye kuziri ya: Byron Unger; Lazarus
Onye haziri ya/Onye nhazi: M. Maillot; Tammy S.

Story 2 of 60

**www.M1914.org**

***Bible for Children,*** *PO Box 3, Winnipeg, MB R3C 2G1 Canada*
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Igbo







"Ubochi anyi riri
ya, anyi ga anwu.
Anyi rie ma obu metu
mkpuruosisi a aka anyi
ga anwu." "Unu agaghi anwu",
ekwensu n'udi agwo aghogbuo Eve.
"I ga agbanwe bia di n'udi
oyiyi Chineke". Eve wee
choo mkpuruosisi ahu.
O gere ekwensu nti wee
rie mkpuruosisi ahu.
3


Ka oge Eve mmehie chara
Chineke, o mere kwara ka
Adam rie mkpuruosisi ahu.
Adam gara asi, "Mba!
a gaghi m emehie
okwu Chineke".
4


Mgbe Adam na Eve mmehiere
Chineke, ha mara na ha gba oto. Ha
mekotara ahihia were kpuchie ahu oto ga
kwa zoo fue onwe ha n'ihu chineke n'ime ohia.
5


N'oge chi ojiji, Chineke biara n'agahari ka ha nwee
mkparita uka. Chineke a marala ihe Adam na
Eve mere. Adam bufere ya n'obu nwanyi
ya kpatara ha jiri wee mehie Chineke,
Eve wee si n'obu agwo nke bu ekwensu
kpatara ihe a. Chineke wee buo
agwo onu. Buo kwa nwanyi onu si,
"nwanyi ga na enwe nnukwu
ihe ufu mgbe oga
amu nwa".
6


"Adam maka mmehie
gi, a buola m ala onu. I
ga ata ahuhu nke ukwu
tupu gi enwete ihe
oriri gi ubochi nile".
7


Chineke chupuru Adam na Eve
n'ime omaricha ala okuku ihe.
Maka mmehie ha, e wepuru
ha nnokorita
ha Chineke
n'enye ndu!
8


Chineke wee dowe nma agha nke na egbu amuma i jiri gbochie Adam na Eve. Chineke mere ihe mkpuchi ahu oto nke o ji anu ahu umu anumanu. Kedu ebe Chineke siri nweta ihe ndi a?
9


Oge na adighi anya, Adam na Eve bia nwee ezinulo. Aha nwa ha nke mbu bu Cain, onye akukumaku ihe oriri na-kwa onye nlekota ihe okuku, nwa ha nke abuo bu Abel, onye ozuzu na nlokota aturu.
10


Otu ubochi Cain wetara Chineke ufodu akwukwo nri dika ihe onyinye. Abel wetara Chineke nwa anumanu kacha umu anumanu nile o na-azu dika ihe onyiye. Chineke nwere nnukwu obi uto ebe Abel noo na kwa ihe onyiye ya, O wee nata ihe onyinye ya ma goziekwa ya.
11


Obi adighi Chineke nma ebe Cain na ihe onyinye ya noo. Cain were iwe nke ukwu u. Mana Chineke gwara ya si, "O buru na imere ihe kwesiri ka imee, o bu m agaghi anabata ihe onyinye gi?"
12


Cain ka bukwa iwe ahu n'obi. Otu ubochi, mgbe ufodu oge gachara Cain lusoro nwanne ya nwoke bu Abel ogu ma gbuo ya n'ebe ha na aru oru.
13


Chineke juru Cain si ya, "kedu ebe nwanne gi nwoke Abel no?" Cain gwara Chineke okwu ugha si, "Amaghi m! Abu m onye nche nwannem?" Chineke tara Cain ahuhu site na i napu ya ikike o jiri aku oru ubi ma mee kwa ya ka o na agahari na enweghi onodu.
14


Cain wee puo n'ihu Chineke. Cain luru nwanyi bu otu nwa nwanyi Adam na Eve. Ha abuo wee mubaa ezinulo. Mgbe na adighi anya, umu umu Cain na kwa umu umu umu Cain bara uba n'obodo Cain hutara.
15
Otu ntabi anya ahu, ezinulo Adam na Eve bara uba nke ukwuu. N'oge ahu ndi mmadu na ebi otutu afo n'elu uwa tupu ha anwuo karia oge mgbu a.
16
Oge Eve muru Seth, Eve wee kwuo si, “Chineke enyehachila m nwa nkasi obi ga anochite anya Abel”. Seth bu nwa na atu egwu chineke o biri afo nari itolu na iri na abuo n'elu uwa ma muo kwa otutu umu.
17
n'elu uwa ndi mmadu biara di njoo nke ukwu u dika ka agburu di iche iche na agafe.
18
N'ikpeazu, Chineke wee kpebie n'ime onwe ya imebi elu uwa na kwa umu anumanu na anu ufe nile. Chineke nwere nwute na o kere mmadu. Mana o nwere otu nwoke ndu ya masiri Chineke ...
19
Nwoke a bu Noah. O si na-agburu Seth, Noah bu onye ndu eziokwu ma kwuwa aka ya oto. O na eso nzokwu ma o bu uzo Chineke.
20

O kuzie kwara umu ato ka n'eruwere Chineke isi. Chineke wee kpebie ka o were Noah kwara ngwooru puru iche di omimi n'uzo di iche.





Mbido ntarama ahuhu nke mmadu bidoro

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Akwukwo Jenesis 3-6

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Chineke mara na-anyi emela ihe ojoor di iche iche, nke O kporo nmehie. Ugwo oru nmehie bu onwu.

Chineke huru anyi na-anya nke ukwu ya mere o ji zite otu nwa ya nwoke bu jisos ka O nwuo na elu obe ma kwuo ugwo nmehie anyi. Jisos siri na onwu bilie ma laghachikwa n'eligwe! Mgbua chineke na-agbahara anyi nmehie anyi nile.

Oburu na ichoro isi n'ime nmehie gi puta, gwa chineke okwu a: ezigbo chineke, e kwetere m na jisos bu nwa gi nwuru onwu n'ihi m ma si kwa n'onwu bilie wee di ndu ozo. Biko bata n'ime ndu m ma gbahara m nmehie m, ka m were nwii ike nwee ndu ohuru n'ime m mgbu a, ma bi nyere gi ebi ebi. Nyere m aka ka bie ndu m n'ime gi na kwa maka gi di ka nwa. Amin. Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro iri na isi.